Obodo Lithuania

Reception and Integration Agency

euaa EUROPEAN UNION AGENCY FOR ASYLUM

# IKIKE NA OKENỌRỤ GỊ NA NNABATA GỊ



**Ozi a bụ maka gị ma ọ bụrụ na:**

- ịrụbeghị afọ 18
- ị soghị nne na nna gị biaruo, ma ọ bụ naanị gị ma ọ bụ ndị òtù ezinụlọ ndị ọzọ
- ị tinyere akwụkwọ ịchọ ebe mgbaba (a na-akpọkwa nchekwa mba ụwa) na obodo Lithuania.

IGBO

# NDỊNAYA


Ị nwere nchekwa n’obodo a 3

Onye ga-enyere gị aka? 3

Gịnị bụ ọrụ onye nnọchịanaya 3

Kedu onye ọzọ nwere ike inyere gị aka? 4

Gịnị ka ị ga-anata? 6

Ikike inweta nlekọta ahụike 8

Gwa ndị ọrụ na onye nnọchịanya 9

Gịnị bụ nnyocha nke ọdịmma kacha mma? 10

Ikike inweta agụmakwụkwọ 10

Ikike ịrụ ọrụ 11

Akwụkwọ ịchọ ebe mgbaba gị 11

Kedu ebe ị ga-anọ? 12

Kedu ihe ị nwere ike ime ma ọ bụrụ na mmadụ mejọọ gị? 13

Gịnị bụ okenọrụ gị na nnabata gị? 14

Kedu ihe ga-eme ma ọ bụrụ na ị kweghị ime okenọrụ gi? 15

Usoro iwu eji etinye akwukwo icho ebe mgbaba na iga njem na mba ndi ozo 16

Kedu ihe ga-eme ma ọ bụrụ na ị gbaga n’otu n’ime obodo EU ndị ọzọ? 17

Onye nwere ike inyere gị aka ma ọ bụrụ na ị kwenyeghị na mkpebi ndị ọchịchị mere? 18

Kedu ihe ga-eme ma ọ bụrụ na ụfọdụ nkwado gbanwee? 19

Ozi mkpọtụrụ 20

## Į NWERE NCHEKWA N'OBODO A

Į gwara ndį ọchịchị na į gaghį alaghachi n'obodo gį n'ihi na į nọ n'ihe ize ndụ, na į tinyere akwụkwọ įchọ ebe mgbaba. Į bụ onye na achọ ebe mgbaba na o*bodo* Lithuania.

Ọ bụ ihe dį otú o kwesịrį ma ọ bụrụ na ihe nile dįka ọ dį ọhụrụ. Į nwere nchekwa n'obodo a ma į gaghįkwa anọ naanį gį.

## ONYE GA-ENYERE GĮ AKA?

Na Europe, a na-ewere onye ọ bụla na-erubeghi afọ 18 dįka nwatakiri, ma o nwekwara ikike inweta **enyemaka pụrụ iche**.



N'ihi na gį na ndį mụrụ gį esoghį, okenye ọzọ a na-akpọ onye **nnọchį anya** ga-enyere gį aka igbo mkpa gį. Onye a adabereghį na-enyemaka ndį ọchịchį.

O bụrụ na gį na onye nnọchį anya gį ahụbeghį, gį na ha ga-ezute na nwa obere oge.

Tupu oge ahụ eruo, ndį ọchịchį ga-ekenye onye okenye ọzọ ka ọ na-elekọta gį ma na-anọchite anya gį.

## GĮNĮ BỤ OKENỌRỤ NKE ONYE NNỌCHỊTE ANYA?

Onye nnọchịte anya ga akọwara gį ihe niile į kwesịrį imata gbasara ọnụnọ gį ma nyere gį aka įnweta aziza nye ajụjụ gį. Ọmụmaatụ, gbasara otu į ga-esi laghachį n'ụlọ akwụkwọ, ọtu į ga-esi hu dọkįta, ebe į ga-ebi, otu į ga-esi chọta ma ọ bụ kpọtụrụ ezįnụlọ gį. Ndį ọrụ ndį ọzọ, ga-enyere gį aka n'ajụjụ ndį a.

Onye nnọchị anya ga-agwa ndị ọchịchị ihe dị gị mkpa, nye gị ndụmọdụ ma nyere gị aka ime mkpebị dị mkpa.

Ị nwere ike ekwụpụta mkpa na mmetụta gị mgbe niile ma gwa onye nnọchite gị obị gị.

Ọ bụrụ na gị na onye nnọchite anya nwere nsogbu ọ bụla,
gwa onye ọrụ.

## KEDU ONYE ỌZỌ NWERE IKE INYERE GỊ AKA?



- **Onye ọrụ enyemaka ọha** ga-enyere gị aka n'ihe ndị ị chọrọ kwa ụbọchị, ma ọ bụ kpọtụrụ ndị ọkachamara ndị ọzọ ndị nwere ike inye aka gboo nsogbu pụrụ iche.
- Onye **Dọkịta** ma ọ bụ **nọọsụ** ga-enyere gị aka ma ọ bụrụ na ị na-arịa ọrịa, merụọ ahụ, ma ọ bụ nwee mkpa maka enyemaka ọgwụgwọ ọ bụla.
- **Onye ọkà n'akparamàgwà mmadụ** ga-enyere gị aka ma ọ bụrụ na ị na-enwe mwute, iwe, ụjọ, nchekasị ma ọ bụ na ị na-enwe nsogbu ịrahụ ụra.
- **Onye ndụmọdụ iwu** ga-enyere gị aka ịghọta ihe ga-eme n'oge usoro ịchọ ebe mgbaba ma ọ bụrụ na ị chere na a naghị akwanyere ikike gị ugwu.
- **Onye ntapịa asụsụ** nwere ike inyere gị aka ikwurịta okwu n'asụsụ ị na-aghọta. Ọrụ ha bụ ịsụgharị kpọmkwem ihe gị na ndị ọzọ na-ekwu.

## Gịnị bụ ntule afọ?




Ọ bụrụ na ị bịa Europe ma ị nweghị akwụkwọ na-egosi afọ ole ị dị, ndị ọchịchị e jighị n'aka na afọ ole ị dị, ha ga-agwa gị ka ị sonye na usoro a na-akpọ **nnyocha afọ**. N'ụzọ dị otu a, ha nwere ike ịkpebi ma ị bụ nwata ma ọ bụghị.
Ọ bụrụ na agwa gị ka ị sonye na nnyocha afọ, onye nnochiteanya gị ga-akọwara gị usoro esi eme ya,

## Gịnị ka ị ga-eme ma ọ bụrụ na ị chọrọ ịkpọtụrụ ezinụlọ gị?



- Ọ bụrụ na ị maghị ebe ezinụlọ gị nọ, ma ọ bụ na ị maghịzị otu ị ga-esi kọptụrụ ha, ị nwere ike ịjụ onye onye nnọchịte gị ma ọ bụ onye ọrụ maka enyemaka. Ha ga-enyere gị aka ịchọ ezinụlọ gị.
- Ọ bụrụ na ị matara ebe ezinụlọ gị nọ ma jide ozi mkpọtụrụ ha, ọnye ọrụ nwere ike ịnyere gị aka kpọọ ha ma ọ bụrụ na ị chọrọ.
- Ọ bụrụ na ị nwere ezinụlọ na Europe, gwa onye orụ ahụ ihe niile ị ma maka ezinụlọ gị.

## Kpachara anya, ụfọdụ ndị nwere ike ịtinye gị na nsogbu



Ị nwere ike ịche echiche gbasara ịpụ n'obodo a ma ọ bụ na ụfọdụ ndị mmadụ nwere ike mee ka ikweta ịgbapụ. Onwere ike ịdịrị gị njọ ma nwee ihe oghọm ọjọọ gbasara ịchọ mgbapụ gị.
Gwa onye nnọchite anya gị na onye ọrụ, ị nwere ike ịkọwara ha ọnọdụ gị ka ha wee nye gị ndụmọdụ.

## GỊNỊ KA Ị GA-ANATA?

Ị ga-enweta ụdị nkwado na ọrụ dị iche iche mgbe ị na-echere ka ndị ọchịchị nyochaa akwụkwọ ịchọ ebe mgbaba gị. A na-akpọ nke a **nnabata**.


Dịka nwata na onye na-achọ ebe mgbaba, ị nwere ikike ma nwekwa okenọrụ ndị ị ga-asọpụrụ. A kọwara nke a na akwụkwọ ngosị a.

Ndị ọrụ ahụ ga-agwa gị ka ime nkwadoeziokwu na ị natara ozi nọ n'akwụkwọ broshọ a. Ọ bụrụ na ịghọtaghị akụkụ ụfọdụ nke akwụkwọ ngosị a ma ọ bụ na ị nwere ajụjụ ọ bụla, jụọ onye nnọchi anya na onye ọrụ .

N'oge ọnụnọ gị n'obodo a, onye nnọchịte anya na onye ọrụ ga-enye gị ozi ndị ọzọ dabere na ọnọdụ gị. Ị nwere ike ịjụ ajụjụ n'oge ọ bụla.



**Ị ga-anata:**



- ebe ị ga-ehi ụra



- Nri ma ọ bụ ego ịzụta nri



- ngwa e ji edebe onwe gị ọcha



- uwe



- Ego maka izuru ihe kwa ụbọchị

# IKIKE INWETE NLEKỌTA AHỤIKE

**Ndị ọchịchị ga-ahụ na ị nwetara nlekọta ahụike ịchọrọ.**

**Ndị ọrụ na onye nnọchịte anya ga-agwa gị ma ọ bụrụ na gị na nọọsụ ma ọ bụ dọkịta nwere ike/ga-achọ ị ga maka nlele ahụike.** Ha ga-enyere gị aka ịhụ nọọsụ ma ọ bụ dọkịta ma ọ bụrụ na ọ dị mkpa.



Ọ bụrụ na dọkịta chere na ọ dị mkpa, ha ga-enye ọgwụ yana oge nleta ịbịa hu ndị ọkachamara.

Ndị ọrụ na onye nnọchịte anya ga-agwa gị ma ọ bụrụ na gị na nọọsụ ma ọ bụ dọkịta ga-achọ ị ga maka nlele ahụike. Ha nwere ike/ga enyocha ahụike gị ma nye gị enyemaka dị mkpa.

Ọ bụrụ na ị nwere nsogbu ahụike mberede ma ọ bụ mmerụ ahụ nke chọrọ ọgwụgwọ ngwa ngwa, gwa onye ọrụ. Ọ bụrụ na ị nọghị ebe ị bị, ịnwere ike ịkpọ nọmba mberede 112 n’efu.

## GWA ONYE ỌRỤ NA ONYE NNOCHITE ANYA MA Ọ BỤRỤ:






- ị na-arịa ọrịa, meruọ ahụ ma ọ bụ nwee mkpa inweta nlekọta ahụike ma ọ bụ ọgwụ ngwa ngwa
- ị na-aṅụ ọgwụ ma ọ bụ mmanyaọkụ
- Ị nwere ahụmahụ nke ihe ike ma ọ bụ mkpagbu n’oge gara aga ma ọ bụ na ị na-enwe ya ugbu a
- ị dị ime ma ọ bụ nwere ike ịdị ime
- ị pụghị ịga ije n’onwe gị, ma ọ bụ ị nwere nsogbu ịnụ ihe ma ọ bụ ịhụ ụzọ
- ị na-enwe nchekasị nke ukwuu, mwute, enweghị ike ịrahụ ụra ma ọ bụ ị na-enwe echiche ọjọọ
- ịnweghị obi ịrụ ala ma ọ bụ ụjọ maka onye ọ bụla, ma onye ị na-amaghị ma ọ bụ onye ị maara
- amanyela gị ma ọ bu na a na-amanye gị ime ihe ị na-achọghị ime
- ịnweghị obi ịrụ ala n’ihi okwukwe gị, onye ị hụrụ n’anya, otu ị si eyi akwa ma ọ bụ otu ị si eme omume.

Cheta, ndị ọrụ na onye nnọchịta anya gị nọ ebea ịnyere gị aka.



## GỊNỊ BỤ NYOCHA NKE ỌDỊMMA KACHA MMA?



Ọ bụ emume ebe ị ga-ahụ ndị ọrụ ndị ọzọ ndị ga-ajụ gị ajụjụ iji:

- ghọta **mkpa** gị
- kpebie ụdị **nkwado** ịchọrọ.

Nke a ga-enyere ndị ọchịchị aka ime mkpebi dị mkpa, dịka ọmụmaatụ ebe ị ga-anọ.

Ị nwere ike ịtụkwasị onye nọọsụ, onye dọkịta, onye ọrụ na onye nnọchite anya gị. Ị nwere ike ikọrọ ha ihe ọ bụla. Agaghị e kesa ihe ọ bụla ịkwụrụ nye onye ọ bụla ọzọ wezụga onye nnọchite anya gị ma ọ bụrụ na ịkweghị. Wezuga naanị ma ọ bụrụ na ndụ gị ma ọ bụ nke onye ọzọ nọ n'ihe ize ndụ.

Ọ bụrụ na ịchọghị ka agwa onye nnọchite gị ma ọ bụ ka ha sonyere, gwa ndị ọrụ. Ha ga-enyocha arịrịọ gị ma kpebie site na ihe kacha baara gị uru.

## IKIKE INWETA AGỤMAKWỤKWỌ



Dị ka nwata, ị nwere ikike agụmakwụkwọ na mmụta. Ọ bụrụ na ị na-aga ụlọ akwụkwọ ma gbaa afọ 18 n'oge a, ị nwere ike ịga n'ihu na abịa ruo mgbe agụmakwụkwọ ahụ gwụsịrị.

Onye nnọchite anya ga-enyere gị aka idenye aha n'ụlọ akwụkwọ dị n'ogbe. Ha ga-agwa gị banyere klaasị nkwadebe mmụta asụsụ na ihe ọmụmụ ndị ọzọ. Ọ nwere ike ka dị mkpa na ị ga-amụ ihe ọmụmụ ndị a.

Ndị ọrụ ahụ ga-agwa gị maka mmụta na ihe ntụrụndụ iji nyere gị aka ịmụta, ịzụlite onwe gị ma nweta ndị enyi ọhụrụ.

## IKIKE ỊRỤ ỌRỤ

Site na afọ ole ịdị yana ọnọdụ gị, enwere ike ịhapụ gị ka ịrụwa ọrụ na *obodo* Lithuania,ọ bụrụ na ịchọrọ ka. Onye nlekọta ma ọ bụ onye nnọchite anya gị na onye ọrụ ga-enye gị ozi ndị ọzọ.





*ọ bụrụ na ha chọrọ, dịka oge e ji enweta ikike ịrụ ọrụ kwesiri mgbe edebanyechara aha yana ihe ndị ewepuru dịka iwu si kwuo].*



Ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị niile n'erubeghị *afọ 14* enweghị ike ịrụ ọrụ.

## AKWỤKWỌ ỊCHỌ EBE MGBABA GỊ

Ị ga-enweta akwụkwọ nkeonwe nwere nke aha gị na foto gị nọ na ya. Nke a na-egosi na ị bụ onye na achọ ebe mgbaba na obodo Lithuania. Ị ga-ejiriri ya na-aga ebe ọ bụla ị na-aga oge ọ bụla.



**Akwụkwọ a dị mkpa. Kpachara anya ka ị ghara ịtụfụ ya ma nyeya ya onye ọzọ.**

A na-akpọ akwụkwọ a Àsàmbodò Ndebanye Aha Mba Ọzọ

# KEDU EBE Ị GA-ANỌ?

Ebe ị ga-anọ mgbe ndị ọchịchị na-atule ịchọ ebe mgbaba gị, dabere na afọ ole ịdị na mkpa gị.







Onye nnọchite gị na onye ọrụ ga-agwa gị **ebe ị ga-anọ**, dịka ọmụmaatụ n'ebe obibi ụfọdụ na obodo ụfọdụ.

**Ị ga ịnata nkwado na ọzi naanị n'ebe ndị ọchịchị kpebiri.**

Naanị oge ụfọdụ ka a na-etinye ụmụaka n'ebe ha apụghị ịbịa ma pụọ otu ha si chọọ. Ọ bụrụ na ị nọ n'ọnọdụ a, onye nnọchianya gị, onye ndụmọdụ iwu na onye ọrụ ga-enyere gị aka.

**N’agbanyeghị ebe ị bị, ị nwere ikike inwe nchekwa.**
**O nweghị onye nwere ikike:**





ịmenye gị ụjọ    ịkparị gị    ịmerụ gị ahụ

N’agbanyeghị ndị ha bụ nye gị, ma ha bụ ọbịa ma ọ bụ onye ịma ama.
Ọ bụrụ na gị na onye ọrụ nwere nsogbụ ọ bụla ma ọ bụ onye nnọchite anya, ị nwere ike ikwupụta ya.

## KEDU IHE Ị NWERE IKE IME MA Ọ BỤRỤ NA MMADỤ MEJỌỌ GỊ?



Ị nwere ike ịgwa onye ịtukwasịrị obi, onye ọrụ ọzọ, onye nnọchịanaya, ma ọ bụ ọrụ nchekwa na nkuchi ikike ụmụaka steeti, ị nwere ike ịhụ nkọwa kọntaktị ha na ngwụcha broshuọ.



Ọ bụrụ na mmadụ akpaso gị agwa ọjọọ, ị [unu] nwere ike ịkọrọ ya ndị ọchịchị na Ụlọ ọrụ Nnata na Ịjikọ ka egbochie ya ime ọzọ. Nke a ka a na-akpọ ‘ime mkpesa’.

**Gee Nti!**

Ọ bụrụ na ị nọghị ebe ibi ma nwee ihe ize ndụ, ị nwere ike ịkpọ nọmba mberede mba 112 n’efu site n’ekwentị ọ bụla.

## GỊNỊ BỤ OKENỌRỤ GỊ NA NNABATA GỊ?



Ọ dị mkpa ka ị kwuo eziokwu ma gbaso usoro iwu ndị ọchịchị, na agbanyeghị na ọ na-atụ ụjọ ma sie ike ịkọ akụkọ gị mgbe ụfọdụ. Ị nọghị naanị gị. Ọnye nnọchite anya gị na onye ọrụ no ebe a ige gị ntị ma nyere gị aka maka mkpa gị kwa ụbọchị.
Ndị ọrụ ga-enyere gị aka ma ọ bụrụ na ha matara maka ọnọdụ gị.

Ebe ọ bụla ị ga-anọ, a ga-enwe iwu ndị ị ga-esoro. Dika ọmụmaatụ, ị ga ịkwanyeriri ndị bị ebe ahụ na ndị ọrụ ugwu na ị gaghị eme mkpọtụ n’oge ịdị nwayọọ.

Ndị ọrụ ga-akọwa iwu ndị a na ntaramahụhụ ma ọ bụrụ na emeghị iwu ndị a.

Ọ dị oke mkpa ka ị:

- ✅ soro iwu nke ebe ị bị
  - Mee ka ebe ahụ dị ọcha
  - Alụla ọgụ
  - Ejila mmanya ma ọ bụ ọgwụ ọjọọ eme ihe
  - Soro ndị ọchịchị na-akwado

- ✅ agbapula pụọ n’ebe ndị ọchịchị gwara gị bịrị soro iwu obodo, nke onye ọrụ na onye nnọchịte anya ga-akọwara gị.

# KEDU IHE GA-EME MA Ọ BỤRỤ NA Ị KWEGHỊ IME OKENỌRỤ GI?



Ọ bụrụ na nke a mee, ị nwere ike ịgwa onye nnọchịta anya ma ọ bụ onye ọrụ, Ụlọ ọrụ Nnata na Ịjikọ ma kọwaa ọnọdụ gị na ihe mere ya.

Ndị ọchịchị ga-enyocha ọnọdụ ahụ ma gwa gị na onye nnọchite ma ọ bụrụ na ha chọrọ ime ihe ụfọdụ.

Ndị ọchịchị nwere ike ikpebi na:

- **Ị nwere ike nwete obere nkwado**, dika ọmụmaatụ, ọ buru na ị gbapụ n'ebe ndị ọchịchị gwara gị ka ị nọdụ ma jụ nkwekọrịta gị na ha.

- **Ị nwere ike ịtufu nkwado ụfọdụ ị na-enweta**, ma ọ bụrụ na ị na-eme ihe ike ma ọ bụ imebi iwu ebe ibi mgbe ọ bụla ma ọ bụ n'ụzọ dị egwu. Enwere ike ikpọ ndị uwe ojii.



**Ugbua ị nọ na *obodo* Lithuania, nke bụ obodo ndi so na EU.**
**Obodo ndị so na EU bụ:**

Mba 27 so na European Union (EU): Austria, Belgium, Bulgaria, Croatia, Cyprus, Czechia, Denmark, Estonia, Finland, France, Germany, Greece, Hungary, Italy, Latvia, Lithuania, Luxembourg, Malta, Netherlands, Poland, Portugal, Republic of Ireland, Romania, Slovakia, Slovenia, Spain, Sweden na

Mba 4 ndị ọzọ: Iceland, Liechtenstein, Norway na Switzerland.

## USORO IWU EJI ETINYE AKWỤKWỌ ỊCHỌ EBE MGBABA NA IGA NJEM NA MBA NDỊ SO NA EU




Onye nnọchite anya gị **na onye orụ ahụ ga-akọwara gị iwu ndị a. Ị nwere ike ịjụ ha ajụjụ n'oge ọ bụla.**

- Ịga anọriri na obodo Lithuania ma ọ bụghị na unu ga-agbapụ na obodo ọ bụla so na EU.
- Ọ bụrụ na ị nwere ndị otu ezinụlọ gị bị na obodo ndị ọzọ, ndị ọchịchị ga-agwa gị maka ikike gi gbasara nnọkọ ọnụ ọzọ nke ezinụlọ. Agbapụkwala.
- Ọ bụru na ịgbapu, ọ ga-enwe nsonazụ ọjọọ, nke a kọwakwara na akwụkwọ ngosi a. Dịka ọmụmaatụ, ị [unu] ga-enweta obere nkwado nnabata n'obodo nke ọzọ.
- Cheta na, ịga edebanyeriri aha n'akwụkwọ na ị na-acho ebe mgbaba na obodo EU ebe ị buru ụzọ bata, ewezuga ma ndị ọchịchị ọ gware gị ka ịghara ime otu a.
- Naanị otu n'ime obodo ndị a kwesiri ịnyocha akwụkwọ ịchọ ebe mgbaba gị. Ndị ọchịchị nọ na *obodo* Lithuania ga-agwa gi obodo nke kwesiri ime nke a.

Ị ga-amụta maka usoro ndị a na-akwụkwọ ngosi ndị ọzọ dị iche.

## KEDU IHE GA-EME MA Ọ BỤRỤ NA Ị GBAGA N'OTU N'IME OBODO EU NDỊ ỌZỌ?




**Na obodo Lithuania:**

- a ga-akwụsi usoro itinye akwụkwọ maka ebe mgbapu gị.

**Na obodo EU ndị ọzọ:**

- ndị ọchịchị nwere ike ikpebi ịzighachị gị azụ na obodo EU ị si puta.

Site n'oge ndị ọchịchị mere ka ị mata maka mkpebi ha ịzighachị gị azụ, ị gaghị enwekwa ikike ụfọdụ, dịka ọmụmaatụ:

- Ị gaghị enweta nkwado ụfọdụ na
- a gaghị ekwe ka ị rụọ ọrụ.

## ONYE NWERE IKE INYERE GỊ AKA MA Ọ BỤRỤ NA Ị KWENYEGHỊ NA MKPEBI NDỊ ỌCHỊCHỊ MERE?

Ị nwere ike ịjụ onye nnọchite anya gị ajụjụ ọ bụla.

Gị na onye nnọchịte anya gị nwere ike ịrịọ onye ndụmọdụ iwu maka enyemaka.

Onye ndụmọdụ iwu bụ onye ma iwu di n'obodo a ma ga-enwe ike imuta ọnọdụ gị ma nywere gị aka.



Onye ọrụ ga-agwa gị maka ụlọ ọrụ ndị na-abụghị nke govament ndị nwekwara ike inye gị ozi na enyemaka.




I nwere ike ịkpọtụrụ ndị United Nations Refugee Agency (UNHCR) oge ọ bụla. UNHCR na-ekpụchịta ndị amanyere ka ha hapụ obobo ha.

## KEDU IHE GA-EME MA Ọ BỤRỤ NA ỤFỌDỤ NKWADO GBANWEE?

Ọ bụrụ na ndị ọchịchị Ụlọ ọrụ Nnata na Ịjikọ kpebi ịbelata ma ọ bụ kagbue nkwado ụfọdụ n'ihi ọnọdụ ahụ dịka akọwara na ibe akwụkwọ 15, ị ka ga-enwekwa ike:



- ga ụlọ akwụkwọ



- hu onye dọkịta ma ọ bụ onye nọọsụ ma nata enyemaka ahuịke



- nata enyemaka dịka ọnọdụ na mkpa gị si dị, nke pụtara ebe ị ga-ehi ụra nke ndị ọchịchị kpebiri na inweta enyemaka ụfọdụ (dịka ọmụmaatụ nri).

Mgbe ndị ọchịchị kpebịrị ịkagbụ nwado nke nnabata gị n'ihi na ị gbagara obodo ndị ọzọ so na EU, ụdị nkwado ị ka ga-enweta ga adabere na ọnọdụ na mkpa gị. Ị ka ga-enwe ike ịga ụlọ akwụkwọ.

# OZI MKPỌTỤRỤ

O buru na ị nwere ajụjụ ọ bụla ma ọ bụ na ị chọrọ nkwado mgbe ị bị ebe a, ịnwere ike gwa ndị na-arụ na:

| Ikike nnabata | |
|---|---|
| Reception and Integration Agency | 📧 info@piia.lt 📞 +370 602 49364 |

| Ikike ndị ọzọ dị mkpa | |
|---|---|
| Ngalaba Migration | 📧 info@migracija.gov.lt 📞 +370 707 67000 |

| Ikike ndị ọzọ dị mkpa | |
|---|---|
| Ọrụ nchekwa oke ala steeti | 📧 dvks@vsat.vrm.lt 📞 +370 707 59305 |

Ị nwekara ike ikpọtụrụ ndị otu a, maka ajụjụ gbasara:

## nkwado ahuike



Ụlọ ọrụ nnabata na njikọta

✉ info@piia.lt ☎ +370 602 49364

ma ọ bụ ịgakwuru ndị ọrụ pụrụ iche n'ime ulọ ọrụ

## nkwado psychosocial



Nkwado mmetụta uche na-amaghị aha nye ụmụaka na ndị nọ n'afọ iri na ụma:

☎ 116 111 (site na 11.00 ruo 00.00)

Nkwado site na nkata ịntanetị (site na 14.00 ruo 23.00) www.vaikulinija.lt

Caritas nke Vilnius Archdiocese: ✉ kulturunamai@vilnius.caritas.lt

☎ +370 673 48052

Ụlọ ọrụ nnabata na njikọta

✉ info@pia.lt ☎ +370 602 49364

ma ọ bụ ịgakwuru ndị ọrụ pụrụ iche n'ime ulọ ọrụ

## nchekwa ụmụaka



Ọrụ Nchekwa ikike ụmụaka na nkuchi steeti ✉ info@vaikoteises.lt

☎ 0 800 10 800

Ọ bụrụ na ọ dị gị ka a na-eleghara gị anya ma ọ bụ nọ n'ihe egwu ị nwere ike ịkpọ ☎ 0 800 10 800 Mọnde-Saturday: site na 8.00 ruo 20.00.

Iji kọọ akụkọ a na-enyo enyo mebiri ikike ụmụaka na-abụghị oge ọrụ, n'ụbọchị anaghị arụ ọrụ, ma ọ bụ na ezumike ọha, biko kpọtụrụ ndị ọrụ mberede site na nọmba mberede 112.

Nkwado mmetụta uche na-amaghị aha nye ụmụaka na ndị nọ n'afọ iri na ụma:

☎ 116 111 (site na 11.00 ruo 23.00)

## akara enyemaka maka ụmụaka nọ n’ihe egwu



Ọ bụrụ na ọ dị gị ka a na-eleghara gị anya ma ọ bụ nọ n'ihe egwu ị nwere ike ịkpọ 📞 0 800 10 800 Mọnde-Saturday: site na 8.00 ruo 20.00.

Iji kọọ akụkọ a na-enyo enyo mebiri ikike ụmụaka na-abụghị oge ọrụ, n'ụbọchị anaghị arụ ọrụ, ma ọ bụ na ezumike ọha, biko kpọtụrụ ndị ọrụ mberede site na nọmba mberede 112.

Nkwado mmetụta uche na-amaghị aha nye ụmụaka na ndị nọ n'afọ iri na ụma: 📞 116 111 (site na 11.00 ruo 00.00)

## ndụmọdụ gbasara iwu, enyemaka na nnọchite anya



Enyemaka iwu steeti na-ekwe nkwa: 🖂 teisines.paslaugos@piia.lt 📞 +370 602 49364

Lithuania Red Cross Society: ndụmọdụ gbasara iwu 🖂 legal@redcross.lt; ịchụso na ijikọ ndị ezinaụlọ na ndị ikwu 🖂 tracing@redcross.lt

## ndị United Nations Refugee Agency (UNHCR)

Kpuchite ọdịmma na ikike nke ndị na-achọ ebe mmgbapu na ndị ọgbaọsọndụ




Banyere UNHCR na Lithuania - UNHCR Lithuania

Ndị nnọchi anya UNHCR maka mba Nordic na Baltic (Stockholm, Sweden): 📞 +46 10 10 12 800 (Monday - Fraịdee, 10.00-12.00 oge Stockholm)

Officelọ Ọrụ Mmekọrịta UNHCR (Vilnius, Lithuania): 📞 +370 5210 7416 (Monday ruo Fraịde, 9.00-17.00 Oge Vilnius) 🖂 swestprotection@unhcr.org

| | |
|---|---|
| Lithuania Red Cross Society: nlekota oru | stebesena@redcross.lt  +370 682 16597 |
| International Organisation for Migration (IOM) Vilnius Office | Enyemaka na nloghachi afọ ofufo na enyemaka mweghachi  +370 8 001 2342, iomvilnius@iom.int |

Ọ bụrụ na ị nwere nsogbu ahụike mberede ma ọ bụ ị nọ na ihe ize ndụ, kpọtụrụ onye ọrụ. Ha ga-enyere gị aka.

Ọ bụrụ na ịnọghị ebe ị bị ma ịnwere ihe mberede ma ọ bụ na ị nọ n'ihe ize ndụ, ị nwere ike ịkpọ nọmba mberede ndị a n’efu:

**ihe mberede ahụike: 112**

**ndị uweojii: 112**

Ọ bụrụ na ịnweghị ekwentị, ịnwere ike ịgwa mmadụ ka ọ kpọọrọ gị nọmba mberede.

Akwụkwọ ngosi a bụ naanị maka ozi. Ọ dịghị emebe ikike ma ọ bụ okenọrụ n’onwe ya. Ndị European Union Agency for Asylum (EUAA) enyela isi ihe ndị ga-ehiwe akwụkwọ a, ikike mbipụta na mgbanwe nke akwụkwọ ngosi a ka EUAA nyere naanị ndị EU Member States. Ndị EUAA anaghị anabata ụta ma ọ bụ ụgwọ ọ bụla maka izi ezi, ọdinaya, mmezu, ndaba n’iwu ma ọ bụ ndabere nke ozi agụnyere n’akwụkwọ ngosi a sitere n'aka ndị EU Member States ma ọ bụ ndị ọzọ bụla bụ ọrụ ha. Ma EUAA ma ọ bụ onye ọ bula na-eme ihe n'aha EUAA bụ enweghị ikike maka ojiji ọ bụla ga-apụta n’ozi dị na akwụkwọ ngosi a.

© European Union Agency for Asylum, 2025